# ỊDỊMMA NKE CHINEKE NYE MKPỤRỤOBI AKPỊRỊ NAAKPỌ NKỤ

**Abù Ọma 42:1-11; 63:1-11; 65:1-13**

**IHEỌ̀MỤ̀MỤ̀ 447**

**Nke Ndị etiti**

**AMAOKWU IBUN'ISI: "Ngọzi nādị rị ndị agụ ezi omume nāgu, ndi akpị rị nākpọ kwa nkụ na ya: n'ihi na ndi ahu ka afọ gējụ" (Matiu 5:6)**

Mgbe Sọl na ndịagha ya naachụgharị Devid, agụụ gụrụ Devid ná mkpụrụobi ya (alaala nke obi ya) chọsikwara Chineke ike. O wutere ya nke ukwu anyamiri náagba kwa ya ehihie na abalị ka ndịiro ya naakwa ya emò náasị kwa, "Òlee ebe Chineke-gi nọ?" Ọ dị ka ele nke ọtụtụ nkịtaọhịa naachụ rue mgbe ọ fọdụrụ ntakịrị ka ike gwụsịa ya ịzọ nzọụkwụ ọzọ. Ọ bụrụ na ọ chọtaghị ebenzuzo, nkịtaọhịa niile ahụ gaejide ya, agaegbu kwa ele ahụ.

### Ebenzuzo Nke OnyeKraist

OnyeKraist nwekwara onyeiro. Baịbụl naasị, "Onye ahụ nke nēkuru unu ga ikpe, bú ekwensu, dịka ọdum nāgbọ uja, ọ nējeghari, nāchọ onye ọ gēlomi" (1 Pita 5:8). Ekwensu naachọ ilomi OnyeKraist, maọbụ were ike dọkpụpụ ya n'ijere Kraist ozi, wee mee ka ọ bụrụ orù nke ekwensu.

Ma OnyeKraist nwere ebenzuzo nime Jisọs. Anyị naagụ nime Baịbụl: na "Ulo elu dị ike ka aha JEHOVA bụ: nime ya ka onye ezi omume nāgbaba, o we nọ n'elu" (Ilu 18:10). Anyị naakpọku Jisọs O wee napụta ndị nke Ya.

Ekpere Devid bụ, "Òle mgbe m'gābia ewe hụm n'iru Chineke?" Ọ naele anya oge ahụ mgbe ọ gaenwe ike ịbịa n'ụlọ Chineke dị na Jerusalem gbue kwa ikpere n'ala n'iru Chineke. Ya onweya naachọ kwa ebenzuzo. Ọ̀ naanụ gị ọkụ n'obi ijé chọọchị? Ị̀ naele anya maka oge nzukọ ka i wee nwee ike bụọ abụ kpee kwa ekpere zutee kwa Chineke n'ebe ahụ? Ị̀ pụkwara inweta inyeaka n'ebe ahụ n'oge ọnwụnwa na nsogbu.

### Échìchè Devid

Ka Devid naechè échìchè banyere ugbò ole o jeworo n'Ụlọikwu dịka Chineke gwara ndị Ju ka ha náeme (Duteronomi 12:5-14), o chere échìchè nime onweya sị: "Gịnị mere m'ji naeru uju otú a? Gịnị mere ezughim ike nime onwem? Ekwesịrịm ịnọ duu wee náeleanya Chineke, n'ihi na Chineke gaakwaram ụzọ ịbata n'ụlọ Ya dị na Jerusalem ọzọ, m'gaamata na iru obiọma Ya naelekwasịm ka m'naekpe ekpere."

Devid nwere mmetụta na nsogbu ya dị ka óké ebilimmiri nke osimiri naamakwasị ya, ma ọ kasiri onweya obi, ebe o maara na ogologo ehihie iruọma nke Onyenweayị naanọnyere ya, na abụ̀ nke Onyenweayị naanọ kwa ya nso n'abalị. Ọ bụ kwa otú ahụ ka ọ naadịrị OnyeKraist ọ bụla.

### Ịnọ Chineke Nso

Tupu gị ejee n'ụlọakwụkwọ gị n'ụtụtụ ị̀ naewepụta oge ịgụ otù akụkụ nke Akwụkwọnsọ sitere na Baịbụl, gbue kwa ikpere n'ala rịọ Onyenweanyị ka O debe gị n'ịdịọcha na n'ịdịnsọ n'ụbọchi ahụ niile? Ọ bụrụ na ị naeme otú ahụ, Jisọs gaanọ gị nso ogologo ụbọchi ahụ n'ịhụn'anya na n'obiọma Ya Ọ naenyere gị aka mgbe mkpà Ya kpara gị. Mgbe ụbọchi ahụ naagwụ, ọ dị kwa mma ịgụ Okwu Ya ọzọ; na ikele Ya n'ihi ngọzi niile nke ụbọchi ahụ. N'abalị Ọ naezite abụ̀ nke Oziọma n'obi gị ịgba gị ume na ịdụ gị ọdụ. Lezieanya hụ́ na i gerentị nkeọma, n'ihi na ọtụtụ mgbe Jisọs naagwa ụmụmmadụ okwu site n'okwu nke abụ̀.

Gịnị mere anyị ji abịa Zaiọn, maọbụ n'ụlọnzukọ (chọọchị)? Ọ̀ bụghị ịbịa nye Chineke otuto na ịkwụghachị mkwà anyị kwere, ihe dị icheiche anyị gwara Chineke na anyị gaeme ma Ọ zọpụta anyị? Agam enye Gi ndụm, ka anyị kwuru; mgbe ọ bụla kwa anyị bịara chọọchị inye otuto na ikpeekpere, anyị naenyocha obi anyị. Ànyị ka naebi ndụ anyị kpamkpam nye Onyenweanyị, kaọbụ okwu Chineke sitere na Baịbụl ọ naegosipụta mmụọ onweonye n'akụkụ ụfọdụ nke ndụ anyị nke dị mkpà ka edozie ya?

"Gị Onye nānu ekpere, …. " Ònye pụrụ ịbịakwute Chineke ukwu a Onye naaza ekpere? Ọ bụ nááṇị ụfọdụ mmadụ arọpụtara bụ ndị nwere ike ịbịakwute Chineke n'ekpere? É-è. Onye dere Abù Ọma sịrị, "Gị ka anụ-arụ nile, bụ madụ, gābịakute." Nke pụtara mmadụ niile. Onye ọ bụla dị ndụ ugbu a, maọbụ ndị biworo ndụ, ekpewo ekpere maọbụ na ha gaegbu ikpere n'ala mgbe ụfọdụ wee kpeere Chineke (Ndi Rom 14:11). Ugbu a onyemmehie ọ bụla pụrụ ịbịakwute Jisọs rịọ mgbaghara, OnyeKraist ọ bụla naabịakwute kwa Jisọs inye otuto na ikele ekele na ịrịọ inyeaka ka o wee mee ihe gaatọ Chineke ụtọ n'ụzọ. Ọbụná ndị ná ajụ maọbụ náelefuru ikpeekpere anya ugbu a gaegbu ikpere n'iru Chineke otù ụbọchi, nabata kwa Ya.

Ọ bụ ezie na ndịmmehie nwere ike ikwu okwu megide anyị gbalịa kwa iwetara anyị nsogbu, ọ bụrụ na Jisọs asachapuwo mmehie anyị, obi anyị adịghị ama kwa anyị ikpé, anyị naagbaga n'ebenzuzo nime Jisọs wee nọdụ n'udo n'ebe ahụ. Anyị pụrụ nnọọ ịtụkwasị Ya obi ịlụpụta ihe niile n'ihi ọdịmma nke anyị.

**Onye Arọpụtara**

"Ihe nagara ya nke ọma, bụ́ onye Ị nārọpụta, …." Ọ̀ rọpụtawo gị? Apụrụ ịzọpụta onye ọ bụla, ọ bụrụ kwa na azọpụtawo gị, arọpụtawo gị ịbụ onye náeso ụzọ Jisọs, n'ihi na Jisọs gwara ndị náeso ụzọ Ya sị, "Mụ onwem rọpụtara unu" (Jọn 15:16). "Ihe nāgara ya nke ọma, bụ́ onye Ị nārọpụta, onye I nēme ka ọ bịarue nso,…." OnyeKraist naejeru Chineke nso site n'ekpere, site n'ịgbaama nke ya, site n'ige ntị na mkwusa nke Okwu Chineke na chọọchị. "Ka o we biri n'ogige-Gị nile" -- ogige nke Ụlọikwu, ụlọ nke Chineke. Lee otú ọ bụ óké ohere ịbụ onye arọpụtara ime ihe ọ bụla na chọọchị! Lee otú ọ naagụsi anyị agụụ ike ịbụ ndị kwesịrị ntụkwasịobi n'ebe etinyere anyị, maọbụ inyere onyenkuzi Ụlọakwụkwọ Ụbọchiụkọ anyị aka idekọta aha anyị n'akwụkwọ, ifu opi maọbụ ịkpọụbọ, ịgbaama, maọbụ ikpeekpere n'ocheeze amara.

**Ịdị ukwu Nke Chineke**

"Ihe dị egwu" (N'óké ụzọ dị ukwu) Chineke gaaza anyị -- Chineke Onye náabụghị náání Chineke nke nzọpụta anyị, kama ọ bụ kwa ntụkwasịobi na inyeaka nke ndị niile nọ na nsọtụ niile nke ụwa na ndị nọ ebe dị anya n'elu osimiri.

"Nēji ike-Ya." Onye dere Abù Ọma naagbalị ịgwa anyị otú ịdịukwu Chineke ra. Site n'ike Ya O kere ụwa a na ihe niile dị nime ya. O kwuru okwu o wee mezue; O nyere iwu ugwu niile wee guzosieike. O ji ike kegide ha ka ha nọgide n'ọgbọ niile rue mgbe Chineke ga apịakọta ụwa dịka ákwàmgbokwasị (Ndi Hibru 1:2). Wee mee eluigwe ọhụụ na ụwa ọhụụ (2 Pita 3:13). Chineke naakwụsị mkpọtụ nke osimiri na ebilimiri, dịka Jisọs kwụsịrị ebilimiri n'osimiri Galili, otú ụbọchi Ọ gaakwụsị kwa ọgbaaghara, ụzụ na ịgbọ ụja niile nke ndị náemebiiwu nọ n'ụwa. Iheàjà maọbụ ihe náegosipụta ike ukwu nke Chineke -- ebilimiri, egbeeluigwe, amụ̀mà, kpakpando, nkụkọta nke anyanwụ na ọnwa, óké ifufe, alaọmajijiji -- ha niile bụ ihe-egwù naekpughe ịdịukwu nke Chineke nye ụmụmmadụ n'ebe niile. Anyanwụ naakpọte anyị n'ụtụtụ naenye anyị ọñụ ka anyị naapụ ijé lụọọlụ nke ụbọchi anyị, àgwà nke ekenaogwurugwu náadị n'iru eluigwe na mgbe anyasị naenye anyị ọñụ ka anyị náechè échìchè banyere ịmamma nke ọlụaka Chineke.

**Inyeekele**

"I letawo ala." Chee échìchè otú Chineke si abịa lee akụkụ ụwa chọrọ mmiriozuzo ijikere ala maka ịkọ alaubi na ịkụ ọka! Ọ naemeghepụ igweoji izosa alaubi mmiri. Mgbe akọsịrị alaubi, mmiri ozuzo ewee mee ya ka ọ dị nrò ka ewee nabata mkpụrụ ahụ ebe okpomọkụ na mmiri gaeme ka o pue, Chineke naelekọta kwa iheopupu nta niile ahụ ka ha naetolite.

"I kpubewo arọ nke ezi ihe-Gị okpu-eze." Egosiri Chineke dịka Onye naekpube ụwa okpueze. Na mmalite O kere anyanwụ, ọnwa na kpakpando, "ka ha bụrụ kwa ihe igosi ihe-ịrịba-ama dị icheiche, na ịgụ mgbe akara àkà, na ịgụ ụbọchi na arọ." Ka ha naagbagharị kwa n'ụzọ ha, naenye ihè na okpomọkụ n'oge ha n'ehihie na n'abalị rue n'akụkụ niile nke ụwa, Chineke n'amamihe na nlekọta Ya dị nrò naeme ka mkpụrụ na akwụkwọnri naeto naamịpụta kwa ọtụtụ mkpụrụ. Ọbụná n'ọtụtụ ebe n'ọzara ebe anaadịghị akọ alaubi adịghị agha kwa ya mkpụrụ, Chineke emewo ka ebe ịtanri nke anụụlọ jupụta.

Eji ahịhịa ndụ kpuchie ugwu nta niile, atụrụ na camel naata kwa nri n'elu ha. Ndagwurugwu niile jupụtara n'ọka, wheat na barley. Ha niile naabụ̀ abụ̀ naeti kwa mkpu ọñụ! Óke ndakọta dị n'otuto ọ naenye Chineke, Onye ji ihụnanya naenyezu ụmụokorobia na ụmụagbọghọbịa na ndịkom na ndinyom niile nọ n'ụwa niile ihe niile naakpa ha.

**AJỤJỤ DỊ ICHECHE**

1. Òlee otù Devid si kọwapụta oké agụ o nwere ịnọ n'ebe nsọ ahụ bụ ụlọ Chineke?
2. Òlee otu o si kasie onweya obi mgbe ndịiro ya naeche ya anwụ náachụgharị kwa ya nke mere na ọ pụghị ijé n'Ụlọukwu dị na Jerusalem?
3. Gịnị ka Chineke mere iji nyere Devid aka n'ehihie? Na n'abalị?
4. Gịnị ka Devid mere mgbe o dinara n'elu akwa ya n'abalị?
5. Gịnị kwesịrị ịbụ mkpebi anyị mgbe anyị naaga chọọchị?
6. Ònye gaabịa n'iru Chineke n'ekpere?
7. Ònye bụ onye agọziri agọzi?
8. Gịnị bụ ụfọdụ ihe Chineke naeme iji kpughee ịdịukwu Ya nye ndị nọ n'ụwa niile?
9. Gịnị bụ ihe Chineke naeji eleta ụwa ka o wee nweeike imepụta iheoriri nye mmadụ na anụmanụ?
10. Banyere gịnị ka Onye dere Abụ̀ Ọma naekwu mgbe ọ naasị: "Ha nēti nkpu ọñụ, e, ha nābụ̀ abụ̀"?